# Akụkọ

# Nke Ọnwa Abụọ, Ubọchị Iri na Asaa

## A Dọọla ndi Ọkada Aka Na Ntị



Ọchịchị Enugu State a dọọla ndi ọkada aka na ntị gbasara ị nya ọkada na mpagbara Enugu a na-akpọ Enugu North, Enugu East na Enugu South. Onye ọchịchị obodo na-ahụ maka ihe ọbụla gbasara ụgbọ ala,  nọ n'Enugu kwue si onye ọbula dara iwu kwụsịrị ị nya ọkada n'ime Enugu, ebe niile iwu a metụtara, ga-abanye na nsogbu.

# Ọchịchị Anambra Na Ndi Arik Na Ndi Skyway Aviation Handling Enweela Nkwekọrịta





Ọchịchị Anambra na ndi ọkwọ ụgbọ elu a na-akpọ Arik, na ndi ọzọkwa a na-akpọ  Skyway Aviation Handling enweela nkwekọrịta maka ị bupụ bugara obodo ndi ọzọ ihe arụpụtara n’ọrụ ugbo n’ime Anambra State.  Onye ọchịchị Anambra na-ahu maka ihe ọbụla gbasara Africa, Mazi Afam Mbanefo, kwuru sị nkwekọrita a, ga-enyere ndi Anambra bụ ndi ọrụ ugbo aka, ka ha kpata ego. Ọ sị na, ihe dịrị ndi Anambra mma, ọ dịrịla State Anambra mma. Ọ sikwa na Gọvanọ Willie Obianọ kpọrọ ya mkpa, ka Anambra nwebe ọganihu mgbe niile.

# Ndi Uwe Ojii A Kparala Ndi Na-Atọrọ Mmadụ Na Delta State



**Asaba City**

Onyeisi ndi Uwe ojii dị na Delta State, Alkali Baba Usman, nọ na Asaba kwue si na ndi uwe ojii ya na-achị na Delta State, a kparala ndi na-atọrọ mmadụ. Ha dị mmadụ iri na asaa a kpaara. Ọ sị na ndi ome mpụ a, bu ndị tọọrọ mmadụ iri abụọ na-arụ orụ na Delta State University Teaching Hospital (DELSUTH). Ọ sị na ya na ndi ome mpụ ga-achịpụ ya na Delta State, na ya ga-eji isi ha niile kụwaa akị oyibo. Ọ dorọ ndi ome mpụ aka na ntị, si ha pụọ na Delta State, ọ bụrụ na ndụ ha dị ha mkpa.

# E Doziela Esemokwu Dị N’otu Ọhanaeze





**Gọvanọ Okorocha** **Chief Enwo Igariwey**

Gọvanọ Imo State, Rochas Okorocha, e nyela aka dozie okwu na-ese n’etiti Ohanaeze. N’Owerri ka ya na ndi na-ese okwu kwekọrịtara, na a ga-edozi okwu ahu. Mgbe ha mechara nzụkọ ka o kwuru sị, na ndi nọ n’akụkụ Chief Ralph Obioha na ndi nọ n’akụkụ Chief Enwo Igariwey, kwere ekwe ka Enwo Igariwey nọdụ n’ọchịchị Ọhanaeze otu afọ. Otu afọ a gafee, a ga-ahopụta ndi ohụrụ ga-achị. Ndi niile a chụpụrụ n’oge niile ahu esemokwu nọ, na a ga-anabatakwa ha ọzọ n’otu Ọhanaeze.

(Copyright © 2016, Learnigbolanguage.com